**NZIKỌRỊTA OZI N'ASỤSỤ NAỊJIRỊA: ỤZỌ KACHA MMA** MAKA **NCHEKWABA ASỤSỤ IGBO NA OGBO YA NDI ỌZỌ**

Nke si n'aka

**Edith Ngọzị Ọnụkawa Ph.D**

Ngalaba Lingwistiks na Kọmunikasiọn Stọdis/Igbo

Mahadum Steeti Abia, Uturu

Email: onukawangozi@gmail. com; Phone: 08038701999

**Ụmị edemede**

*Asụsụ bụ otu n'ime ihe gbapụtakarịchara ihe Chukwu okike ji chọọ mmadụ mma ma mee ya ọpụrụiche n'ebe ihe niile ndi ọzọ o kere eke dị. Naanị mmadụ na-ekwu okwu nwere nghọta ma nwekwaa ike ịkọwa ụzụ ihe okike ndi ọzọ na-eme. Agbụrụ dị iche iche jupụtara n'ụwa taa nwere asụsụ ha, bụ njirimara ha. N'obodo Naịjirịa, e nwere ọtụtụ agbụrụ na asụsụ dị iche iche e ji mara ha. Asụsụ ndị a niile bachaara ndị na-asụ ha uru mana atọ n'ime ha bụ: Yoruba, Hausa na Igbo kacha pụta ihe n'ihi na e kwenyere na ọnụọgụgụ ndị na-asụ ha dị ukwuu karịa ndị ọzọ. Ọ bụ iji hụ maka agamnihu asụsụ atọ ndị a ka e ji hiwe nnukwu ụlọakwụkwọ a nke a kpọrọ The National Institute for Nigerian Languages, Aba, Steeti Abia n'afọ 1992. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ileba anya n'uru dị n'iji asụsụ ndị dị n'obodo anyị bụ Naịjirịa tụmadị Yoruba, Hausa na Igbo na-ezikọrịta ozi n'ogo dị elu iji nyere obodo Naịjirịa aka ikwudobe na mba ụwa dum. A ga-agbaso usoro nkọwa ji kọwapụta isiokwu nchọcha a nke ọma. Site n'ihe dị n'ọbaakwụkwọ na ajụjụ ọnụ oka a ga-esi nweta ntụnye uche ga-enye aka n'ịkọwapụta isiokwu nchọcha a otu o kwesịrị. Ụfọdụ nchọpụta nchọcha a ga-egosi na iji asụsụ Naịjirịa ezikọrịta ozi nwere oke uru si na ya apụta nke gụnyere: ịdị n'otu, udo, ihunanya, ọganihu na ezi nchekwaba ndụ. Nchọcha a na-atụ aro ka ndi obodo Naịjirịa nwee otu obi ka asụsụ anyị ndi a bụrụ ihe ga-ejikọta anyị ọnụ, ọ bụghị itisa anyị. Na nchịkọta, ka anyị jisie ike tinye ntụpụta ndị a n'ọrụ ka asụsụ anyị ndi a nwee ike ikwudobe asụsụ ndi ọzọ n'ụwa dum maka ezi nzikọrịta ozi.*

**Abstract**

*Language is one of the greatest things given to mankind by God and this made humans to stand out from other creatures of the world. Humans alone has the gift to make sensible speech pattern and has the power to decipher different sounds made by other creature. All over the world, races, societies and ethnic groups have their languages which depicts as their mark of identity. Nigeria, our country, is faced with the problem of multilingualism and ethnicity. These languages are very significant to their users but three, out of the whole lot namely: Yoruba, Hausa and Igbo are nationally recognized, reason being that they are considered to have the greatest number of speakers and geographical location. The development and growth of these major three Nigerian Languages necessitated the establishment of The National Institute for Nigerian Languages, Aba in Abia State in 1992. This research therefore, examines the significant importance of using these Nigerian Languages with particular references to Yoruba, Hausa and Igbo (WAZOBIA) for effective communication strategies. Descriptive model of approach is adopted while collection of data is through library and oral interaction. Findings include that effective communication with Nigerian Languages has the tendency to ensure our togetherness, peaceful co-existence, unity, love, progress and security of life and property. We recommend that communicating with these Nigerian Languages should serve as a unifying factor and not to disintegrate us. In conclusion, all hands*

*must be on deck to salvage our Nigerian Languages for effective communication like their counterparts globally.*

**1.0 Okwu mmalite**

Asụsụ malitere site n'okike ụwa. Chukwu kere ụwa nyere naanị mmadụ ikikere asụsụ inye anụmanụ na ihe niile ndi ọzọ o kere aha (Genesis, 2:19). Nzikọrịta ozi apụghị ịdị n'etiti mmadụ na ụmụanụmanụ ya mere Chukwu ji gosipụtakwa oke mkpa mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị mere o ji kee nwanyị tinyere nwoke ma nyekwa ha ikikere ịmụ ọmụmụ jupụta ụwa. Site n'ụzọ dị etu a ka agbụrụ niile nke ụwa si mụbawanye (Genesis, 1:28) Na mbụ, ụwa niile nwere otu asụsụ tupu Chukwu aghagbuo asụsụ niile nke ụwa ọnụ n'ihi oke amamihe nke mmadụ mere agbụrụ niile jiri gbasasịa. (Genesis, 11: 7-8). Nke a apụtaghị na Chukwu achọghị ka ụmụ mmadụ na-anụkọrịta asụsụ ha kama o mere ya iji gbochie aka ahụ ha chọrọ ịma ya bụ Chukwu okike n'ihu. N'aka nke ọzọ, mgbe Jisọs na-arịgo n'eluigwe, O nyere ndị na-eso ụzọ ya iwu ka ha nọrọ na Jerusalem ruo mgbe mụọ nsọ dakwasara ha. Akwụkwọ nsọ mekwara ka anyị mata na mgbe mụọ nsọ dakwasachara ha, ndị si mba na ebo dị iche iche nke ụwa malitekwara ịnụ ihe ha na-ekwu nke gosiri na ebumnobi Chukwu okike na mbido bụ ụmụ mmadụ ga-enwe asụsụ dị iche iche ma nke a agaghị ebute nkewa n'etiti ha kama ha ga-anụ ma na-ahọtakwa onwe ha mgbe ha na-ekwu okwu (Acts, 1:7-8). Ọ bụzị gịnị na-eme n'obodo anyị, Naịjirịa, taa?

Naịjirịa bụ otu n'ime obodo dị n'ụwa taa nke nwere ọtụtụ agbụrụ na asụsụ dị iche iche e ji mara ha. E nwere mpaghara anọ n'obodo Naịjirịa: Ugwu, Ọwụwaanyanwụ, Ọdịdaanyanwụ na Ndịda ma nwekwa Steeti iri atọ na isii tinyere isi obodo Naịjirịa dị n'Abuja. Ọzọ, n'ihi igwu okwe ndọrọndọrọ ọchịchị, e kewara obodo Naịjirịa ụzọ isii bụ nke a kpọrọ six geo-political zones 'asụsụ Bekee. Ha bụ North-East, North-West, North-Central, South-East, South-West, na South-South ebe agbụrụ dị iche iche na asụsụ bikọtara ọnụ. Oge ụfọdụ, a na-enwe nghọtahie n'etiti agbụrụ ndi a n'ihi ndịiche asụsụ na ezi nchekwa ndụ. Ebe anyị bi n'otu obodo ma kwenye na anyị bụ otu, ụdị ọnọdụ a, nke na-ata ọtụtụ isi ndị mmadụ mgbe ọbụla o selitere isi kwesịrị ka egbochie ya n'ihi na mgbochi ka mma karịa ọgwụgwọ. Otu n'ime ebumnobi nchọcha a gbara ọkpụrụkpụ bụ isite na nkọwa ntụnye uche anyị ga-ewepụta ebe a mara ka a ga-esi tinye n'ọrụ iji asụsụ Naịjirịa ndị a tụmadị asụsụ Yoruba, Hausa na Igbo kwalite usoro nzikọrịta ozi.

**2.0 Nnyocha Agụmagụ**

Nzikọrịta ozi, bụ nke a na-ahụta dịka ụzọ e si ezipụ ozi, atụnye uche, ezipụta echiche na igosipụta ka obi dị n'etiti otu maọbụ ndị bikọtara ọnụ bụ ihe na aghaghị ịdị na ndụ mmadụ. Ọnwụka (2006) dịka e depụtara n'Ọnụkawa (2017), kwusiri ike na "uru nzikọrịta ozi bara maka ndịgide na nkwụsike nke òha dịka ịsị na, enweghị nzikọrịta ozi, pụtara enweghị òha" (p.15). Nke a bụ iji kwado na nzikọrịta ozi dị nnukwu mkpa n'etiti mmadụ na ibe ya nakwa n'etiti agbụrụ na agbụrụ. E nwere ụzọ nzikọrịta ozi dị iche iche ma nke anyị na-ekwu maka ya na nchọcha a bụ nke e kwuru n'ọnụ maọbụ nke e dere ede ka ndị ọzọ gụpụta.

Ọtụtụ ndị edeela ihe n'isiokwu dị iche iche banyere asụsụ agbụrụ dị iche iche dị n'ala Naịjirịa na uru ọ bara ichekwa ha maka ọdịnihu. Ebe ha bụ asụsụ nne ji mụọ anyị bụrụkwa nnatarachi nke ndị nna nna anyị ha ranyere n'aka anyị, ọ dịghị mma ịhapụ ha ka ha fuo kama o kwesịrị ka e nyefeekwa ha n'aka ụmụ ụmụ anyị dịka njirimara anyị. Site kwa n'ịsụ asụsụ ndi a ka e si echekwa omenala ọkpụtụrụọkpụ anyị.

Onyekpere & Amadị (2013) na-ekwu na ọnọdụ ọjọọ asụsụ Igbo nọ n'ime ya taa na-ama njirimara ya n'usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ya aka n'ihu. Ha sị na asụsụ bụ ihe e ji ewulite ma na-agbasa omenala na usoro obibi ndụ ndị. Asụsụ kpa ahụ bụ nke ndị nwe ya na-etinye n'ọrụ kwa mgbe site n'ịsụ ya n'ọnụ, ịgụ akwụkwọ e ji ya dee na iji ya dee ihe banyere isiokwu dị iche iche. Asụsụ dị etu a ga na-eto eto site n'ịnabata okwu ọhụrụ banyere mgbanwe ndụ na akụrụngwa sayensi na nkanụzụ. Asụsụ Bekee, French na ndị ọzọgasị tuuru ugo na nke a ma asụsụ Igbo achịtaghị aja kama anyị aka ikwalite asụsụ ndị ọzọ karịa. Ha rịọrọ ndịi Igbo ka ha jiri asụsụ ha kpọrọ ihe ma nye ya ọnọdụ ruru ya maka ọ bụ njirimara na nkwudosi ike ha.

Agbedo (2019) kọwara n'uju ihe niile banyere Naịjirịa dịka obodo ihe e ji mara ya bụ ọtụtụ agbụrụ na asụsụ. O depụtara nsogbu niile na e si n'ọnọdụ ọjọọ obodo inwe ọtụtụ asụsụ dịka o si metụta nhazi asụsụ, agbụrụ, ịzụ okwe ndọrọndọrọ ọchịchị, akụnaụba, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, mmepe ga-adịgide na ihe ndị a ga-emerịla maka agamnihu nke obodo Naịjirịa. Ntụnye uche dum dabara adaba ma ọbụrụna eleba ha anya ma tinye ha n'ọrụ. Anyị na-ahụ na ọtụtụ mgbe nghọrịghịta na-adị n'etiti agbụrụ na ibe ya bụ maka ndịiche dị n'otu asụsụ na ibe ya. Nchọcha a bu n'obi ileba anya etu e nwere ike isi site n'iji asụsụ Naịjirịa ndị a na-ezikọrịta ozi maka ọdị mma nke mmadụ niile na agbụrụ niile dị n'obodo Naịjirịa nke ga-eme ka mba ụwa hụta anyị dịka ndị dị n'otu.

### 3.0 Nzikọrịta ozi n'asụsụ Naịjirịa: ụzọ kacha mma iji chekwaba asụsụ Igbo na ogbo ya ndị ọzọ.

Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ oge, anyị na-asị na ịdị n'otu bụ ike. Ọzọ abụrụ na anyị na-adị n'otu n'ime mgbasasa. Mana abịa n'ihe a na-ahụ anya, ọ dịka ihe anyị na-ekwu abụchaghị eziokwu. Ọnụ anyị na-ekwu ihe ọzọ, obi anyị na-eche ihe ọzọ, ebe aka anyị na-eme ihe ọzọ. Kedụ ka obodo dị otu a, bụ nke Chukwu ji akụnaụba dị iche iche chọọ mma ga-esi dowe onwe ya n'ọnọdụ ọjọọ dị otu a ma nwee agamnihu dịka mba ụwa ndi ọzọ? Taa, enwela ọtụtụ ihe jikọtara mba ụwa niile ọnụ dịka azụmahịa, ịlụrịta nwanyị, mgbasa ozi n'ikuku, asọmpi ịgba egwuregwu bọọlụ ndị nwoke na ndị nwanyị n'ogo dị iche iche, iji igwe kọmputa ezipụ ozi, ile onyonyo Tiivii nke satalaịt dishi e ji ahụ ihe na-eme na mba ụwa niile n'otu oge ahụ, iji igwe ekwe ntị na-ezipụ ozi na mba ụwa dum n'otu oge na ọtụtụ ihe ndi ọzọ. Ọ bụrụna anyị na ndị mba ọzọ anyị na-asụ asụsụ ha na-enwe ezi mmekọrịta dị etu a, gịnị bụ nsogbu anyị n'ala Naịjirịa, ebe anyị bụ otu? Iji asụsụ Naịjirịa ezikọrịta ozi ga-enyere anyị aka ichekwaba ha ma ọbụrụna e tinye ihe ndị a n'ọrụ:

### 3.1. Ịzụlite ndị maara asụsụ Naịjirịa ndị a nke ọma

Nzikọrịta ozi n'asụsụ Naịjirịa ga-adị ire ma ọbụrụna a ga-azụlite ndị maara nke ha riri nke ọma n'ịsụ, ịgụ na ịde asụsụ ndị a. Ọ bụkwa ndị dị etu a kwesịrị ikuziri ma zụpụta ụmụakwụkwọ ndị ọzọ nwere mmasị n'ịmụ asụsụ Naịjirịa ndi a. Ụmụakwụkwọ ndị a a ga-azụpụta ga-abụzi ndị a ga-ezigasị n'ụlọakwụkwọ dị iche iche n'akụkụ niile nke obodo Naịjirịa ka ha nwee ike ikuziri ụmụaka ndị ga-esi na nwata nwee mmasị ịmụ asụsụ Naịjirịa dịka ha si site na nwata nwee mmasị ige, ịsụ, ịgụ na ide asụsụ Bekee. Ọ dịkwa mkpa ikwu ebe a na gọọmenti etiti ga-eme ka ọbụrụ iwu a ga-etinye n'ọrụ na nwata akwụkwọ ọbụla ga-enwe mmasị n'ihe banyere ịmụ asụsụ Naịjirịa n'ụlọakwụkwọ dị elu dịka Kọleji KEdukeshọnụ, National Institute for Nigerian Languages, Aba na Mahadum Naịjirịa niile ebe a na-akuzi asụsụ Naịjirịa ndị a ga-agụ akwụkwọ n'efu. N'ụzọ dị otu a, ọnụọgụgụ ndị ga-enwe mmasị ịmụ asụsụ Naịjirịa ndi a ga-abawanye n'ihi na enweghị mmasị n'ịmụ asụsụ Naịjirịa ndị a bụ otu n'ime ihe na-echere ya aka mgba ma na-adọlakwa aka elekere azụ. A ga-azụpụtakwa ndị nkuzi bụ ndị a ga-eziga mba ofesi ịga kụziere ụmụafọ Naịjirịa bụ ndị a mụrụ na

mba ofesi asụsụ nne nke agbụrụ ha si na ya pụta. Nke a pụrụ ime ka ụmụ ndị Bekee sorokwa nwee mmasị ịmụta asụsu Naịjirịa dịka anyị si amụ nke ha.

**3.2 Iji asụsụ Naịjirịa ama ọkwa**

Nzikọrịta ozi abụghị naanị mgbe e kwuru ya n'ọnụ, a na-edekwa ya ede. Ihe a na-ahụkarị n'okporo ụzọ mgbe a na-eme njem bụ izi ozi ntụziaka e ji asụsụ Bekee dee ebe e nwere asụsụ Naịjirịa e nwere ike iji mee nke a. Ebe ọ bụ na anyị enweghị otu asụsụ Naịjirịa kpọmkwem onye ọbụla na-asụ, ka e were asụsụ atọ a kacha pụta ihe bụ Yoruba, Hausa na Igbo (WAZOBỊA) na-ezipụ ozi a, ọbụghị naanị asụsụ Bekee. N'ụzọ dị etu a, asụsụ Naịjirịa ga-esonye n'ihe a na-eme ma nwee ugwu na nsọpụrụ ruuru ha na mba ụwa.

**3.3 Iji asụsụ Naịjirịa akọwapụta ngwaahịa e mepụtara na Naịjirịa**

Ndị Naịjirịa na-enwe mmasị n'ebe ọ dị ukwuu ịtụbata, ire na ịzụrụ ngwaahịa e mere na mba ọzọ. Ngwaahịa ndị a na-ebu nkọwa banyere ka e si eri maọbụ e ji ha eme ihe bụkwa nke e ji asụsụ obodo mmepụta ha dee ma kọwaa kwa n'asụsụ Bekee mgbe ụfọdụ. Ndị Naịjirịa nwekwara ọtụtụ ihe ndị anyị na-emepụta nke gụnyere: ọgwụ, ihe oriri dị iche iche iche a na-ekechi na komkom maọbụ, ngwaọrụ na ngwaụlọ nakwa ihe ndị ọzọ dị iche iche ha ji asụsụ Bekee akọwa ka e si ejikwa ha. Gịnị mere asụsụ Naịjirịa? O doro anya na ọ bụ anyị ji aka anyị na-egbu asụsụ anyị ma na-akwalite asụsụ Bekee. Nke a apụghị ime ka anyị bụrụ ndi Bekee. Ileghara asụsụ Naịjirịa anya na-ebute nleda anya nye obodo Naịjirịa dịka obodo enweghị ugwu, nsọpụrụ na nkwudosike. Ọ na-akọkwa nkwenye anyị na anyị bụ otu ọnụ.

**3.4 Iji asụsụ Naịjirịa akwalite nnabata omenala na-ebute ịdị n'otu**

Ikonne (2017) n'ịkọwa nnabata omenala kwuru na ọkọwaokwu Webster kọwara nnabata omenala dịka usoro mgbanwe omenala nke otu onye, òtu maọbụ ndị mmadụ site n'isonyere, maọbụ ịnara ụdịdị omenala ndị ọzọ. Ndị nhazi NCCE hụtara usoro nnabata omenala dịka ihe kwesịrị itinye n'ọrụ mere ha ji hiwe ngalaba atọ bụ ebe ndị na-amụ banyere asụsụ Naịjirịa atọ ndị a bụ Hausa, Yoruba na Igbo dịka asụsụ nke abụọ ha ga na-aga ọzụzụ maka nnabata omenala. Ha bụ: Federal College of Education, Kano maka asụsụ Hausa, National Institute for Nigerian Languages, Aba maka asụsụ Igbo na Federal College of Education (Special), Oyo maka asụsụ Yoruba. N'aka nke ọzọ, ụlọ ọrụ NTA mgbe ụfọdụ na-egosi omenala agbụrụ dị iche iche dị na Naịjirịa na Tiivii ka ndi mmadụ lere anya, nwee obi ụtọ ma mụta ihe ndị ọzọ na-eme. Ịkọwa usoro omenala ndị a n'olu Bekee dị mma ka ndị mba ofesi mara ihe ndị Naịjirịa na-arụpụta ma ọ ga-akacha mma iji asụsụ Naịjirịa kọwaa ya ka agbụrụ ndị ọzọ nwee ike ịmụtakwa ya ma na-emepụta kwa ya iji gosi ịdị n'otu.

**3.5 Iji asụsụ Naịjirịa na-emepụta ejije na Channel DSTV atọ nke ndi Hausa, Yoruba na Igbo**

Inwe aṅụrị na obi ụtọ bụ otu n'ime ihe e ji enyere ndụ aka ma gbatịkwuo ya ka ọ dịkwuo ogologo. Ejije ndị a a na-emepụta na Tiivii na-enye aka iji nọrịa oge ebe ọ bụ na egwu ọnwa alala. Anyị na-esite na ha amụta ọtụtụ ihe na-eme n'ụwa taa, ma nke ọma, ma nke ọjọọ. Ọ bụ eziokwu na ha niile ndị Hausa, ndị Yoruba na ndị Igbo na-agbalị ịkọwa akụkọ ha na-akọrọ anyị n'asụsụ Bekee ka o kwe anyị nghọta, anyị na-eche na ọ ga-akacha mma imepụta ejije ndị ahụ nwere nkuzi pụrụiche n'asụsụ Naịjirịa atọ ndi a bụ Hausa, Yoruba na Igbo. Nke a pụtara na akụkọ ha bụ otu ma e ji asụsụ atọ ndi a mepụta ha. Ọzọ dịka ya abụrụ ikewapụta Channel DSTV ọzọ bụ ebe a ga na-emepụta ejije dị iche iche e ji asụsụ atọ ndi a mee. A ga-enwe oge amawapụtara maka igosi nke asụsụ ọbụla. Ịdị n'otu na nchekwaba asụsụ Naịjirịa ga-adị n'ogo dị elu ma ọbụrụna e tinye ihe ndi a n'ọrụ.

### 3.6 Gọọmenti inye nkwado ha

Gọọmenti nke Etiti, nke Steeti na nke Okpuru ọchịchị ime obodo kwesịrị ịrụ ọrụ nke mara ha n'aka bụ iweta ego. Atụmatụ ndi a anyị tụpụtara na nchọcha ga-anọ n'akwụkwọ a rekasịa ma ọbụrụ na ndi gọọmenti enyeghị agụmaakwụkwọ n'efu maka ịzụlite ndi nkuzi maka ịmụ asụsụ Naịjirịa, amawapụtaghị ego maka ime nchọcha, etinyeghị akụrụngwa ndi na-enye aka n'ọmụmụ asụsụ, na ime ka ọhanaeze mata atụmatụ niile n'ihe banyere nhazi ọmụmụ asụsụ. Gọọmenti ga-ahụ na ndiụlọ nzukọ omeiwu ga-eji atụmatụ nhazi a kpọrọ ihe ma họpụta ndi nleba anya ma ihe ekwe na-akụ.

### 3.7 Ndi omepụrụonyeọdịrị, ndi Naịjirịa bi mba ofesi na ndi NGO

Ntinye n'ọrụ iji asụsụ Naịjirịa ezikọrịta ozi abụghị ihe dịịrị naanị ndị gọọmenti. Ọ dịịrị ma esekere, ma idima. Ebe ọ bụ na ha na-atụnye uche ha n'okwu banyere akụnaụba, ndọrọndọrọ ọchịchị na oke ruru onye, ha kwesịkwara ileba anya n'ihe banyere iji asụsụ Naịjirịa na-ezikọrịta ozi n'ụzọ inye ego nkwado maka inye agụmakwụkwọ n'efu maka ụmụakwụkwọ ndi nwere mmasị ịmụ asụsụ Naịjirịa n'ụlọakwụkwọ dị elu, na inye akụrụngwa dị iche iche ga-enye aka maka ọmụmụ na nkuzi ihe n'ụzọ ga-adị mfe ma nyeaka nghọta.

### 3.8 Ọrụ ndi nta akụkọ

Ndi nta akụkọ bụ ndi ọzọ ọrụ ha dị oke mkpa ịhụ na nzikọrịta ozi n'asụsụ Naịjirịa ndi a dị ire. Ha ga-enye nkwado nke ha site n'iji asụsụ Naịjirịa achụ nta akụkọ ha, agbasa ozi n'ikuku, edepụta ma na-agụ akụkọ ụwa na okwu na-eso akụkọ, ama ọkwa na ịkụ egwu nchere oge dị iche iche. Ha ga na-emepụtakwa ejije nta dị iche iche ma na redio ma na Tiivii ga na-arụtụ aka na mkpa ọ dị iji asụsụ Naịjirịa ndi a ezikọrịta ozi na-esepụghị aka. N'ụzọ dị etu a, nwafọ Naịjirịa ọbụla ga-ahụ na ọ bụghịzị ihe egwuregwu.

### 4.0 Ntụpụta aro

1. Ọ dị mkpa ikwalite iji asụsụ Naịjirịa na-ezikọrịta ozi n'ezinaụlọ ka ụmụaka bido n'oge mụta nke bụ asụsụ nne maka nchekwa asụsụ na omenala ndi maka ọgbọ dị n'ihu.
2. Ọ dị mkpa inwe ezi ndi nkuzi maara nke ha riri n'ikuzi asụsụ Naịjirịa ndi a nke ọma ka ndi nwere mmasị ikuzi ya mụta ha dịka o kwesịrị.
3. Ọ dị mkpa ụmụakwụkwọ inwe mmasị ịgụ ihe ọmụmụ banyere asụsụ Naịjirịa ndi a n'ụlọakwụkwọ ndị dị elu dịgasị n'obodo anyị.
4. Ndi gọọmenti, ndi ọnụ na-eru n'okwu, ndi omepụrụonyeọdịịrị, ndi ọnụrụ ube nwanne gbata, ụmụnne anyị ndi bi mba ofesi, ndi ọkankuzi na sayensị asụsụ, na NINLAN, jisienụ ike na nkwado n'ụzọ kwesịrị ekwesị.
5. Ka iji asụsụ Naịjirịa ezikọrịta ozi butere anyị ọganihu, ọ bụghị ntisa.

### 4.1 Mmechi

Na nchọcha a, anyị anwaala oke anyị ịchọpụta ihe ndị ga-enye aka ịkwalite ọmụmụ asụsụ Naịjirịa iji welite ha n'ogo a tụrụ anya ya na mba ụwa dum. Asụsụ bụ njirimara mba ọbụla. Ọ bụ ya ka e ji ezipụta omenala na ọdịbendi. Naịjirịa bu otu. Nzikọrịta ozi site n'asụsụ anyị ga-eweta ịdị n'otu, udo, ọganihuna ezi nchekwaba ndụ na akụnaụba.

**Edensibịa**

Agbedo, C. (2019). *Multilingualism and National Development in Nigeria: Issues and Challenges.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Ikonne, U. H. (2017). Realizing the Goals of Acculturation Programme for the Second Indigenous Language Learners through Harmonization, Standardization and Policy Implementation . *A Journal of The National Institute for Nigerian Languages, Aba*, 118-124.

Onukawa, E. (2018). *The Ominous as a Medium of Communication in the Traditional Igbo Society* . Enugu: Samdrew Productions Nig. Ltd.

Onwuka, J. (2006). *Introduction to Sociology of Mass Communication.* Okigwe: Whytem Publishers Nigeria.

Onyekpere, G. N. (2013). The State of the Igbo Language: Threat to Igbo Identity and Social Stability . In N. A. Faculty of Arts, *The Humanities and National Identity* (pp. 142-148). Awka: Fab Anieh Nig. Ltd.

*The Holy Bible.* (n.d.).

Udoh, I. (2017). Nigeria Languages as Key to the Sustainable Development Goals. In A. J. Languages, *NILAS, NIGERIAN LANGUAGES' STUDIES* (pp. 10-18). Aba: NILAS Vol 3 No. 2.

Webster, M. (n.d.). Dictionary Online.